Usoro Ịgba Mkpe N'ụzọ Omenala: Ka O Si Metụta Ụmụ Nwaanyị N'uruagụ Nnewi Nke Si N'aka

Akaeze, Chioma M.
Department of Linguistic, Igbo and other Nigerian Languages,
Faculty of Arts, University of Nigeria, Nigeria
Email: Chioma.Akaeze@Unn.Edu.Ng
Phone: 08035531080

Ezebube, Chinedu C.
Department of Linguistic, Igbo and other Nigerian Languages,
Faculty of Arts, University of Nigeria, Nigeria
Email: Chinedu.Ezebube@Unn.Edu.Ng
Phone: 07030565592

Chukwuneke, Ogechukwu F.
Department of Linguistic, Igbo and other Nigerian Languages,
Faculty of Arts, University of Nigeria, Nigeria
Email: Ogehukwu.Chukwuneke@Unn.Edu.Ng
Phone:07063416778
&
. Ilechukwu, Eberechukwu, G
Department of Linguistic, Igbo and other Nigerian Languages,
Faculty of Arts, University of Nigeria, Nigeria
Email: Ilechukwuhypolite@Gmailcom
Phone:08038849593

Ụmị

E mere nchọcha a iji lebaa anya n'otu n'ime omenala ndị Igbo a hụtara bụ mmekpa ahụ nye ụmụ nwaanyị. Ebe a gbakwasara ụkwụ na ya mee ihe ọmụmụ a bụ n'omenala ndị Uruagụ nke dị n'okpuru ọchịchị Nnewi Nọọtụ nke steeti Anambara. Mbunuche ọrụ a bụ ịchọpụta etu ụmụ nwaanyị nọ n'ajadu sibu agba mkpe di oge gboo n'Uruagụ, ọkachasị ka o si metụta ihe mgbu ụmụ nwaanyị ajadu na-ezute n'ịgba mkpe. Ọ bụ ọgbe

isii n'ime ogbe iri na otu e nwere n'Uruagụ ka e siri sere ndị e ji mee ihe ọmụmụ a. E seere ụfọdụ ndị okenye na ndị ajadu dị mmadụ iri na otu a gbara ajụjụ ọnụ. Ndị a gbara ajụjụ ọnụ bụ ndị gbara afọ iri isii ruo n'afọ iri iteghete. Nchọcha a bụ ụdị nke Kwọlitetiv ma bụrụkwa nke gbasoro usoro nke Sọvee nkọwasị maka na a bara ọhịa nchọcha maka ịchịkọta njiatụle e ji rụọ ọrụ. Njiatụle e ji mee ihe ọmụmụ a bụ nke a kacha nweta site n'ịgba ajụjụ ọnụ. A gbadoro ụkwụ n'atụtụ abụmoke na nne (feminizim) n'ịnagha ihe ndị a hụrụ n'ọhịa nchọcha. N'ihe ọmụmụ a, a chọpụtara na ụmụ nwaanyị ajadu na-agabiga ọtụtụ ihe mmekpa ahụ n'ịgba mkpe di ha dịka: Ibo ha ebubo na ile ha anya ọjọọ dị ka ndị rụrụ arụ, ịnara ha oke ruuru ha, ịmanye ha ime ihe n'ike, ime ka ha ghara ịdị ọcha otu ha chọrọ dgz. N'ikpeazụ, nchọcha a tụnyere aro ka e nwee nhatanha n'ịgba mkpe nwoke na ịgba mkpe nwaanyị. Ọzọ bụ na e kwesịrị ibelata ihe mgbu ụmụ nwaanyị na-agabiga n'ịgba mkpe di ha nwụrụ anwụ.

Okwu ndị dị mkpa : Ịgba mkpe, omenala na ọnwụ

Mkpọlite

Ndị Igbo kwenyesiri ike n'ịkwanyere onye nwụrụ anwụ ugwu. Ọnwụ bụ nnukwu ihe mwute na-adakwasị mmadụ. N'akụkụ ụwa niile. Ndị Igbo so na ndị a ma dịka ndị nwere omenala karịrị akarị dị ka; ịlụ di na nwunye, ime ọmụgwọ, ịkwa ozu, ịgba mkpe, dgz. Ihe ndị a niile nwere etu obodo dị iche iche n'ala Igbo si ezipụta ha. N'ime omenala ndị a, ndị Igbo na-enye ịgba mkpe ọnọdụ pụrụ iche.

E nwere ụzọ dị iche iche obodo ọ bụla si ezipụta mwute na nsọpụrụ ha nwere n'ebe onye nwụrụ anwụ nọ. N'usoro ekpemekpe Alakụba, ha ekwenyeghị n'itinye onye nwụrụ anwụ n'ụlọ nchekwa ozu, kama mmadụ nwụọ, ha elie onye ahụ ụbọchị ahụ ọ nwụrụ nakwa ebe ahụ ọ nọrọ nwụọ. Ha anaghịkwa ezipụta ịgba mkpe n'ụzọ ọ pụrụ iche. Ọ bụghị maka na onye nke ha nwụrụ ewuteghị ha, kama ọ bụghị omenala na nkwenye ha ịgba mkpe n'ụzọ pụrụ iche. Igbo bụ ndị a ma ama dị ka ndị nwere oke nkwanye ugwu nye ozu mmadụ site n'ụzọ dị iche iche. Ndị Igbo na-eji ụzọ dị iche iche ezipụta mwute na nsọpụrụ ha nwere n'ebe onye nke ha nwụrụ anwụ nọ site n'ime omenala dị iche iche nke otu n'ime ha bụ ịgba mkpe. Ọ bụrụgodi na e lie onye nwụrụ anwụ ụbọchị ọ nwụrụ, a ga-akwadote akwadote maka ịgba mkpe. Ịgba mkpe bụ ọnọdụ nwaanyị ma ọ bụ nwoke na-anọ mgbe di ya ma ọ bu mgbe nwunye ya nwụrụ. Mgbe ụfọdụ, ọ bụghị ihe otu obodo na-akpọ

ya ka obodo ọzọ na-akpọ ya. Obodo dịka Nnewi na-akpọ ya ịgba mkpe. Ndị Ọka na-akpọ ya 'ibu isi.' Ndị Ojoto na-akpọ ya 'iru uju di/nwunye.' Ọba na Oraukwu na-akpọ ya 'ịkwa ajadu' ma ọ bụ iru uju.' Ọraifite na Adazi Anị na-akpọ ya 'ịnọ na nsọ di/nwunye'. Ndị Nsụka na-akpọ ya 'ịnọ ọnwụ.' Ọnịsha na-akpọ ya Ịnọ n'ajadu. Mbanọ kpọrọ ya 'iru mkpe'; ma e tere ụgba ma e tere azụ, ihe a ga-aghọta bụ na ha niile bụ otu ihe ka a na-akọwa maka ya - Igba mkpe (ịnọ ajadu). Ọ bụrụ na nwoke anwụọ, ọ dị ọtụtụ ihe a na-ele anya na nwunye ya ga-eme nke ga-akọwapụta na ọ na-agba mkpe di ya. Ọ bụkwa otu ihe ahụ n'ebe nwoke nọ. Ihe a na-akpọ nwaanyị di ya nwụrụ bụ nwaanyị isi mkpe ma ọ bụ ajadu nwaanyị ebe nke nwoke bụ nwoke isi mkpe ma ọ bụ ajadu nwoke. Ọ bụrụ na nwoke lụrụ nwaanyị anwụọ, ịgbara ya mkpe bụ ugwu ikpeazụ nwunye ya ga-akwanyere ya. Ịgba mkpe di bụ ugwu na nsọpụrụ nwaanyị na-enye dị ya nke nwụrụ anwụ. Ịgba mkpe di nke ụmụ nwaanyị ajadụ na-agabiga bụ omenala zuru Igbo ọnụ ma na ọbọdọ ọ bụla nwetụchara ebe ihe ha na-emegasị si gbaa iche n'ihe ibe ha na-eme. Omenala ịgba mkpe na-eso ka ndị si ghọta ọnwụ. N'ụfọdụ ebe n'ala Igbo ma nwaanyị o megburu di ya ma ọ bụ na o megbughị di ya, nwaanyị ọ bụla di ya nwụrụ na-adị ka ọ bụ ya gburu ya. Nke a so n'ihe na-ebute oke mmekpa ahụ nye ụmụ nwaanyị na-agba mkpe di n'ụfọdụ ebe. Ka ịgba mkpe di a si dị n'obodo Uruagụ bụ ihe a ga-elenye anya na ya na nchọcha a.

Nsogbu nchọcha

E nweela mbọ na-aga n'ụwa niile maka iwezigharị ọnọdụ ụmụ nwaanyị na mba ụwa. Ọtụtụ ndị ọkamara na-arụ ụka na edobeghị ụmụ nwaanyị n'ogo ha nhatanha na nke e dobere ụmụ nwoke. Nsogbu a hụtara kpaliri nchọcha a bụ ihe mgbu na arịrị ụmụ nwaanyị di ha nwụrụ na-agabiga n'ọtụtụ ebe n'ala Igbo n'ihi omenala. A hụrụ ya dịka ihe dị mkpa ịgba ọnọdụ ọjọọ ndị a n'anwụ maka ịchọ ntọala na mkpatara ọnọdụ ndị a dị njọ ma chọba ụzọ mbelata ọnọdụ ọjọọ niile ụmụ nwaanyị na-ezute n'ịgba mkpe di ha. A hụtara na ọ bụghị etu nwoke si agba mkpe nwunye ya nwụrụ anwụ n'ọtụtụ ebe bụ ka nwaanyị si agba mkpe di ya. Ọnọdụ ụmụ nwaanyị na-agba mkpe n'ọtụtụ ebe n'ala Igbo bụ ihe ịgba anya mmiri na ihe mgbawa obi. Ọ bụ n'ihi ihe ndị a ka o ji dị mkpa na e mere ihe ọmụmụ n'isiokwu na n'ebe dị iche iche maka ịhụta ma e nwere eziokwu dị n'ihe ndị mmadụ na-eche. Ndị mere ihe ọmụmụ a kpebiri itinye isi n'ọhịa nchọcha Uruagụ iji chọpụta nke bụ eziokwu banyere ịgba mkpe di. O nweela nchọcha yitere nke a n'obodo ndị ọzọ. Mana ndị nchọcha ahụghị nke e mere n'Uruagụ kpọmkwem maka ihe ụmụ

nwaanyị na-agabiga n'ịgba mkpe di. Obodo Uruagụ so n'obodo ndị a hụtara na ha ejighị ihe gbasara ịgba mkpe di egwu egwu, ọkachasị ka o si metụta omenala ọdịbendị ha site na mgbe ọkpụ ha. Ihe ọmụmụ ọ bụla bara uru maka na ọ bụrụ na o nyeghị aka zipụta eziokwu dị n'ihe e chere ma ọ bụ e kwuburu, ọ gbaa ama ihe ọhụrụ.

Mbunuche nchọcha a gụnyere ịkọwapụta etu ịgba mkpe siri malite n'ala Uruagụ, ịchọpụta etu ụmụ nwaanyị nọ n'ajadu si agba mkpe n'usoro omenala ndị Uruagụ, na ịtụle ihe mgbu ụmụ nwaanyị ajadụ na-ezute n'ịgba mkpe. Ọ bụzi na mbunuche nchọcha ndị a ka ajụjụ nchọcha a dabeere maka izipụta ka mbunuche ndị a si kwụrụ.

Uru a hụtara n'ụdị nchọcha a bụ na ọ ga-abara ndị Igbo dum uru ọkachasị ndị ga-enwe ohere ịhụ ọrụ nchọcha a. E nwere ike isite na ya mata ọnọdụ ụmụ nwaanyị ajadu na-agabiga dịka omenala ndị Uruagụ si debe ya. Ọ ga-enye aka rụwanye aka na nchọcha ndị ọzọ e megoro n'ụdị isiokwu a maka imata ma ihe a na-eme ebe niile ọ bụcha otu ihe ka e nwere ndị ka ibe ha mma ma ọ bụ kara njọ Ọ ga-emekwa ka ụmụaka na-etolite etolite mata ka omenala ịgba mkpe di n'ụzọ omenala Igbo si aga n'ihi na a na-enwezi ọtụtụ ihe mgbanwe n'ihe a na-eme n'oge ugbu a. Ndị ọzọ kwa nchọcha a ga-abara uru bụ ụmụ akwụkwọ ndị ga-enwe mmasị n'ime nchọcha n'isiokwu ọzọ metụtara ịgba mkpe n'obodo ndị ọzọ. Nchọcha nke a ga-enye aka tụziere ha ihe ha ga-eme. Nchọcha a ga-agbakwa ọnọdụ ọjọọ ụmụ nwaanyị ajadụ na-agabiga n'anwụ maka ịchọ ụzọ mbelata ajọ agwa ma ọ bụ ịhụta ebe e nwegoro mgbanwe n'agwa a na-akpasobu ndị ajadu. N'ikpeazụ, nchọcha a ga-abakwara ndị ihe ọmụmụ omenala Igbo uru n'ihi na ọ ga-abụ ngwa nkụzi na edensibịa ma ọ bụ nrụtụaka n'ọdịnihu.

Oke nchọcha a bụ ihe gbasara ịgba mkpe di ụmụ nwaanyị ajadu na-agabiga n'usoro omenala ndị Uruagụ. Nke a bụ maka na e nwewala ọtụtụ mgbanwe n'ihe a na-emezi ugbu a e nwegoro usoro ekpemekpe ọhụrụ dịgasị ihe iche. Ọtụtụ ndị mmadụ na-agbakpuzi n'ime ụlọ ụka mbịara ọhụrụ ka a zọpụta ha n'otụtụ ihe mgbu. Ya bụ na ọ gaghị adịcha mfe ịrụtụ aka n'ihe niile gbasara ịgba mkpe n'Uruagụ ma ọ bụ n'ala Igbo niile. Ọ gaghịkwa adị mfe ilenyecha anya n'ihe gbasara ịgba mkpe nwunye nke ụmụ nwoke na-agabiga ọkachasị ka ha si metụta Uruagụ ma ọ bụ Igbo niile n'otu ihe ọmụmụ a. Ka e wee nwee ike ilenyegasị anya nke ọma na mbunuche nchọcha a, oke nchọcha a bụ maka ịgba mkpe di na ihe

ụmụ nwaanyị ajadụ Uruagụ na-agabiga n'usoro omenala ha. A ga-ewere ya dịka enyo e ji ahụta ihe ụmụ nwaanyị ala Igbo na-ahụ n'ịgba mkpe di.

Uruagụ bụ otu n'ime obere obodo dị n'ime nnukwu obodo a kpọrọ Nnewi. Nnewi dị kilomita iri abụọ na isii na mgbadata ọdịda anyanwụ Ọnịcha nke dị na steeti Anambara nke Naijiria. Site n'ọnụ ọgụgụ e nwere n'afọ 1980, Nnewi nwere ọnụ ọgụgụ pụtara otu narị pụkụ mmadụ. Ọ dị obere obodo anọ mejupụtara Nnewi. Ha bụ Otolo, Uruagụ, Ụmụdim na Nnewichi. Uruagụ Nnewi dabara n'ukwu olundị ọwụwa anyanwụ nke Naija dịka Nwaozuzu (2008:21) siri kọwaa.

Ntụleharị agụmagụ

N'ebe a, e bu ụzọ nye nkọwa okwu ndị dị mkpa. Ihe ọzọ bụ ntụleharị atụtụ nchọcha a na ụfọdụ ọrụ ndị e merela metụtara isiokwu, na nchịkọta ntụleharị agụmagụ.

Okwu ndị dị mkpa

Omenala

Na nkọwa mmadụ nkịtị, e nwere ike ịghọta omenala ka òtu ndị si ebi ndụ ha. Nke a pụtara na ọ bụ ka mmadụ dị ndụ n'ụwa bụ ka omenala na-adịkwa. Ogbalu (1981:35) zipụtara omenala ka:

> Ihe jikọtara òtu òtú si adị ndụ, ihe ha na-eri, asụsụ na ejiji ha, ekpemekpe ha, ihe e ji mara ha dịka abụ ha na-abụ, egwu ha na-agba, ịkwa nka na ụdị ọrụnka ha na-arụkarị tinyere omume na agwa ha na-akpa.

O gara n'ihu rụtụ aka na omenala gụnyere echichi dị iche iche ndị na-echi na ụzọ dị iche iche ha si ezipụta echiche ha. Nkọwa Anozie (2003:106) gosiri omenala dịka ụzọ dị iche iche ndị mmadụ si ebi ndụ, ihe ha na-eri, iyi akwa na ikele ekele. O kwukwara na agbụrụ ọ bụla enweghị omenala nwụrụ anwụ n'onwe ha. Ọ sịrị na ọ bụ nke a mere mmadụ jiri pụọ iche n'ebe ihe ndị ọzọ Chukwu kere eke dị. Emenanjo, Ekwe, Okolie, Kanu na Njubigbo (2008:59) kwuru sị;

> Agbụrụ ọ bụla nwere usoro ha si akpa agwa bụ nke e jiri mara ha. Ha na-egosipụta njirimara ha n'ihe ndị a, etu ha si eyi akwa na ụdị akwa ha na-eyi, etu ha si eri nri na ụdị nri ha na-eri, etu ha si akwadobe erimeri ha na-eri, etu ha si agba egwu. Ụfọdụ na-eji obi agba egwu, ụfọdụ na-agba

> n'ụkwụ, ụfọdụ na-emegharị ahụ ha niile, etu ha si eme mmemme dị iche iche, etu ha si ekpere chi ha, etu ha si eli ozu, etu ha si akwa onye nwụrụ anwụ, ụdị anụ ha na-enye nsọpụrụ pụrụ iche, asụsụ ha na etu ha si asụ ya, ụdị ụlọ ha na-arụ na etu ha si arụ ya, etu ha si akwanyere ndị okenye ugwu.

Oguejiofor, Ezeoliaku na Ilorah (2015:58) chịkọtara nkọwa ndị a niile ọnụ mgbe ha sị na omenala dị ka ihe ndị na-eme, etu ha si eke ekike, ihe ha na-eri, ụdị egwu ha na-agba, ụdị abụ ha na-abụ, omume na agwa ha na-akpa tinyekwaziere asụsụ ha. Ha gara n'ihu kwuo na omenala metụtakwara nkwenye dị iche iche ndị nwere; ekpemekpe ha na mmemme dị iche iche ha na-eme tinyekwara ihe dị iche iche ha na-asọ. Ha gara n'ihu gụpụtasịa ụfọdụ omenala Igbo dịka; ọmụgwọ, ibi ugwu, ikupụta nwa, ịgụ aha, ịzụ ahịa nwa, ịhụ eze, ịwa akwa, iru mgbede, ekele, ọjị, nzu, ọfọ, akwamozu, ịgba mkpe, iri ji, ọfala, emume ụdara, mbarị dgz.

Site na nkọwa ndị a niile, e nwere ike ghọta ma chịkọta nkọwa omenala dịka emume na-egosipụta ụzọ niile agbụrụ si ebi ndụ nakwa nhụrụ ụwa ha n'uju, nke sitere n'aka ndị nna nna anyị ha fere n'aka ndị na-eto eto.

Ọnwụ

Mbiti (1969:157) kọwara ọnwụ dịka mmadụ ịla mmụọ. Ifesieh (1988: 261 & 262) n'aka nke ya kwuru sị;

> N'ala Igbo, ọnwụ gosiri mmadụ isi n'ụwa kewapụ onwe ya. Ọ bụ oge mmadụ kewapụrụ onwe ya site n'ụwa nke a gaa n'ụwa ọzọ dị iche n'ụwa onye ahụ nọ na mbụ. Ọ na-eme ka ndị onye ahụ hapụrụ mee ọtụtụ mmemme.

Opata (1998:173) hụtara ọnwụ ka mmadụ ịlaghachi azụ n'ebe ndụ bidoro, ọ bụghị ịnwụ anwụ kpam kpam. Na nkọwa Ofomata (2012:103):

> Ọnwụ bụ ọdachi kachasị ọdachi na-ewute ndị Igbo ma ọ dakwasa ha. Ndị Igbo na-atụ ọnwụ ụjọ nke ukwu. Ha anaghị achọ ka ọnwụ na-abịakwute ha. Mgbe niile ka ha na-eme ihe niile ha nwere ike ime iji were hụ na ọnwụ akụghịrị ha aka n'ụzọ. Mana, e mechakwaa elu, mee ala, ọnwụ ga-abịarịrị mgbe oge ya ịbịa, ruru. O nweghị ụdịdị ọnwụ anaghị ewute ndị Igbo. Mana, ọ bụghị ọnwụ niile ka ndị Igbo na-agbara mkpe.

Site na nkọwa ndị a niile, e nwere ike ịsị na ọnwụ bụ ntụgharị site n'ụwa nke a gafee n'ụwa ọzọ. Ya bụ, isi n'ala mmadụ gaa n'ala mmụọ. Ọnwụ bụ njedebe nke ume ndụ nke na-ebute ịgba mkpe.

Ịgba mkpe

Ezeuko (1986:17) kwuru na ịgba mkpe bụ ọnọdụ onye mmadụ nwụnahụrụ na-anọ iji gosi mwute na iru uju o nwere maka ọnwụ onye ahụ metụtara ya. Site na nkọwa a, o zipụtara na onye ọ bụla mmadụ nwụnahụrụ na-eru uju; ma banye na mkpe. Onyekaọnwụ (1990:41) kọwara ịgba mkpe dịka oge iru uju nke mere na ndị na-agba mkpe na-eji anya mmiri eme nri ụbọchị ọ bụla. O mere ka a mata na n'ọtụtụ omenala Igbo na nwaanyị nọ n'uju di ya n'obodo ụfọdụ na-ebe akwa ụzọ ụtụtụ ọ bụla ruo izu asaa ma ọ bụ ole obodo kwadoro. Ụbọchị ọ bụla ọ chịrị ọchị, o kote nnukwu okwunaụka. Ụmụọkpụ ga-awakpo ya ma mesie ya ike. Na nghọta nke ya, Onyekaọnwụ (1990) kwuru na ihe kpatara omenala Igbo ji were mee ka nwaanyị na-ahụsi anya n'ịgba mkpe di ya nwụrụ anwụ bụ iji mee ka ụmụ nwaanyị na-akpachapụrụ ndị di ha anya ma na-agba ha ume dịka di nwe ụlọ.

Na nkọwa ya maka omenala ịgba mkpe di n'ala Igbo, Basden (1992:293) sị na ịgba mkpe bụ, "ihe a na-eme ozigbo e lichara onye nwụrụ anwụ wee ruo otu afọ ma ọ bụ oge iyipu akwa uju onye ahụ nwụrụ anwụ." Ọ sị na mgbe e lichara ozu nwoke nwụrụ anwụ, nwunye ya ga-apụ site n'ụlọ di ya baa n'ulo nta ọzọ. Ebe a ka ọ ga-anọ n'enweghị ihe ọ na-eme. Ọ gaghi eyi akwa karịa nkịrịka akwa. Ebe ndina ya ga-abụ n'elu ukpo. Konadu (2007:12) hụtara ịgba mkpe dịka nwaanyị ịkwanyere di ya ugwu na nsọpụrụ nakwa igosi ọmịiko o nwere n'ebe onye ahụ hapụrụ ya nọ. Ọ kwadoro nke a wee kwuo na ọ bụ mmemme ma ọ bụ uju ndị mmadụ nwụnahụrụ na-eruru onye nke ha nwụrụ anwụ iji gosi otu o siri wute ha.

Alazu (2013), na nghọta nke ya kwuru na oge ọ bụla mmadụ nwụrụ, na ọ na-abụ ihe mwute n'ebe ndị nwe ya nọ. Ọ sị na ọ bụ ya mere na ọ bụrụ na e lichaa ozu, ndị bịara ịnọnyere onye mmadụ nwụnahụrụ na-ala na be ha dị iche iche. Oge ahụ, nwaanyị di ya nwụrụ ga-amalite ịnọ n'obi ilu. Ọnọdụ dị etu a ka ọ hụtara dịka ịgba mkpe. Ọ gakwara n'ihu kọwaa ịgba mkpe dịka "oge mmadụ kpụpụụrụ onye nke ya nwụrụ anwụ ntutu iji gosi na ọnwụ onye ahụ wutere ya, maka na ndị Igbo na-ewe ntutu ka ebe ndụ mmadụ dị."

Site na nkọwa ndị a niile ndị ọkammụta nyere banyere ịgba mkpe, e nweziri ike ịchịkọta ịgba mkpe di dịka ọnọdụ iru uju nwaanyị na-anọ mgbe di ya nwụrụ iji gosịpụta mwute o nwere maka ọnwụ di ya. Ọ bụ ugwu ikpeazụ nwaanyị na-akwanyere di ya nwụrụ anwụ. Ịgba mkpe di ma ọ bu nke nwunye bụ omenala zuru ala Igbo niile ọnụ.

Atụtụ nchọcha

Atụtụ Abụmoke na nne (Tiori Feminizim) bụ nke a ga-agbagide uche na ya na nchọcha a maka ịhụta ka echiche ha si kwụrụ n'isiokwu ịgba mkpe di n'Uruagụ. Atụtụ Abụmoke na nne ka Thompson (2001) kọwara dịka otu na-ahụ maka ọdịmma ụmụ nwaanyị site na mmejọ a na-emejọ ha n'obodo. Ọ kọwara na òtù a na-agbasi mbọ ike ịkwụsị mkpagbu na nleda anya a na-eleda ụmụ nwaanyị n'ezinụlọ nakwa n'obodo. E nwekwara ike ịkọwa abụmoke na nne dịka òtù na-akwado ikike ụmụ nwaanyị. Ọ gbadoro ụkwụ na nhatanha dị n'etiti ụmụ nwoke na ụmụ nwaanyị. Ọ na-akwalite ịgba mbọ maka ikike na nnwere onwe nke ụmụ nwaanyị. Ọ na-akwado ụmụ nwaanyị isonye na mmemme obodo na-enweghị mgbochi ma ọ bụ ịkpa oke n'ụdị ọ bụla. Ikike ndị a gụnyere ikike isonye na ndọrọ ndọrọ ọchịchị, ikike inwe akụnụba, ikike nke onwe, ikike agụmakwụkwọ, ikike isonye na mmemme obodo na ikike inwe mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ndị nkwado atụtụ Abụmoke na nne gbadoro ụkwụ na nkwenye, na ụmụ nwaanyị na ụmụ nwoke bụ ndị nwere ikike nhatanha ma bụrụkwa ndị nweere onwe ha.

Otu abụmoke na nne na-akatọ nkwenye na echiche ndị mgbe ochie n'ebe ịkpa oke dị n'etiti ụmụ nwoke na ụmụ nwaanyị. Ha na-ewepụta ụzọ ọhụụ kacha mma iji dochie ya bụ ịkpa oke. Ha na-ekwu na e kwesịrị iji usoro gbadoro ụkwụ n'ikike nhaanya, ikpe ziri ezi na ezi omume dochie usoro ndị mgbe ochie nke gbadoro ụkwụ n'ọchịchị ụmụ nwoke na mmegide ụmụ nwaanyị. Ndị otu a na-ekwupụta mmegbu ụmụ nwaanyị dịka nke gbanyere mkpọrọgwụ n'enweghị mmekọrịta mmadụ na ibe ya, esonyeghị n'ọchịchị obodo na nnapụ ikike.

Ndị otu a na-ekwu na a ga-ewepụrịrị usoro na iwu nke ọchịchị ụmụ nwoke na-emegide ụmụ nwaanyị kpamkpam. Ha sị na ụmụ nwaanyị bụ ndị kwesịrị inwere onwe ha ma nwee ọnụ okwu n'ihe gbasara inwe mmekọ nwoke na nwaanyị nakwa n'ọmụmụ nwa.

Ha kwuru na ndị ọchịchị obodo anaghị etinye anya n'ihe gbasara ụmụ nwoke ịnọ n'isi ọchịchị megide ụmụ nwaanyị. Ọ bụ n'ihi ya, ka e jiri wube atụtụ abụmoke na nne iji leba ya anya ma hazie ya otu o kwesịrị. Ha kwuru na e kere mmadụ niile nhaanya, na e kwesịghị ịnapụ onye ọ bụla ikike na nnwere onwe ya. Ndị nkwado atụtụ feminizim na-elekwasị anya n'ịgba mbọ iweta mgbanwe n'obodo site n'ịhazigharị usoro na iwu na-ahụ maka iweta ọrụ na ihe ndị ọzọ n'obodo. Ha na-agbasikwa mbọ ike iweghachite ikike na nnwere onwe ụmụ nwaanyị dịka ọ dị n'iwu nnwere onwe ọchịchị obodo bụ nke a napụrụ ha site n'ịmanye ha ịṅụ mmiri e ji saa ozu ahụ, ịṅụ iyi ezighi ezi, idobe ha n'otu ebe, ịrahụ n'ala nkịtị, ịlụ nwanne di ha nke abụghị ọchịchọ ha mgbe ha na-agba mkpe (Olomojobi, 2015).
N'ọrụ John Stuart Mill (1869) nke ọ kpọrọ *Subjection of women*, o kwuru na ụmụ nwaanyị na ụmụ nwoke kwesịrị inwe ikike nhaanya n'ihe gbasara agụmakwụkwọ, ezinụlọ, ọrụ na nnọchite anya ndọrọndọrọ ọchịchị. Mill kọwara na a bịa n'ọtụtụ ebe n'ala Naijiriịa, na a na-egbochi ụmụ nwaanyị iketa oke n'akụnụba di ha mgbe di ha nwụrụ mana na ọ dighị otu ahụ n'ebe ụmụ nwoke nọ. O kwuru na ọ bụrụ na di nwaanyị nwụọ, na ọ bụ ụmụnne di ya ndị nwoke ma ọ bụ ndị ezinụlọ ya bụ ndị na-ahụ maka akụnụba ya kama ọ ga-abụ nwunye ya ma ọ bụ ụmụ ya. Ihe nke a na-egosi bụ enweghị ahatanha ikike n'ebe nwoke na nwaanyị nọ.

Virginia Woolf (1929) na Simeone de Beauvoir (1949) bụ mmadụ abụọ so n'isi a hụrụ kwaba okpu n'atụtụ a. Ha na-akọwa na ọ bụ site na nsogbu ka e si ahụta ụmụ nwaanyị na ọnọdụ gbara ha gburugburu. Ha sị na ọnọdụ akụnụba bụ oke ihe mgbu nyere ụmụ nwaanyị. Ha sịkwa na mkpagbu nwoke na-enye nwaanyị malitere n'agba ochie ebe ụmụ nwoke na-abụ ndị isi, ejesịaọgwụ, ekwueme, dgz. De Beauvoir (1949) kọwapụtara na ụmụ nwoke anaghị enye ụmụ nwaanyị ugwu rụrụ ha kama nwaanyị ọ bụla kwesịrị ime ihe nwoke gwara ya mee. Nke a pụtara na ụmụ nwaanyị bụ ndị na-enweghị ike ime ihe ọ bụla nke ọma ma e wezụga ntụziaka ụmụ nwoke. De Beauvoir (1949) gara n'ihu kọwaa echiche ụmụ nwoke gbasara ụmụ nwaanyị dịka ndị mere ụmụ nwaanyị ka ha na-ahụta onwe ha ka ndị obere mmadụ n'uwa, n'agbanyeghị na ụmụ nwoke na-ekwu na ha na ụmụ nwaanyị ha nhatanha mana ha anaghị ekwe ka nhatanha ha bịa na mmezu. Echiche De Beauvoir a na-akọwa na e mere ụmụ nwaanyị ka ha mara na ụmụ nwoke ka ha n'ọkwa, na e nweghi ebe ọ gbakọọrọ ha na ụmụ nwoke n'agbanyeghị na ụmụ nwoke na-ekwu n'ọnụ na ha na ụmụ nwaanyi ha nhatanha. Ndị atụtụ

abụmoke na nne na-akwalite ọnọdụ ụmụ nwaanyị ma na-ekwu mkpa ọ dị ime ka ụmụ nwaanyị na-esonye n'ihe a na-eme n'obodo, eme ihe ha kwesịrị ime n'ezinụlọ ha nakwa ime ka ụmụ nwaanyị nwee ikikere nke ha. Atụtụ a kacha metụta ụdị ihe ọmụmụ a na-elenye anya n'ọnọdụ a na-edobe nwaanyị na-agba mkpe di ya n'obodo. Ebe ọ dị mkpa n'ihe ọmụmụ a bụ ịhụta ma e nwere ka ihe atụtụ a na-ekwu si pụtatụ ihe n'ọnọdụ nwaanyị na-agba mkpe di n'ala Uruagụ.

Nchọcha ụfọdụ e merela banyere isiokwu

Nzewi na ndị ọzọ (1989) mere nchọcha banyere isiokwu ọ kpọrọ, 'Omenala ịgba mkpe na steeti Imo: Ụzọ isi kwalite ezi obibi ndụ ụmụ nwaanyị ime obodo.' Ebumnuche nchọcha ha bụ ịchọpụta ihe mgbu ụmụ nwaanyị ajadu na-agabiga n'ọnọdụ ịgba mkpe nakwa ka a ga-esi belata ihe mgbu dị etu ahụ.

Ihe Nzewi na ndị ọzọ chọpụtara bụ na ihe mgbu nwaanyị ajadu na-amalite ozigbo di ya nwụrụ. Ihe ọzọ ọ chọpụtara bụ na ụmụnne di ya na-anakọrọ ya akwụkwọ ihe gbasara akụnụba di ya nke gụnyere ụlọ obibi, ụlọ ahịa, ala, ego na ihe ndị ọzọ. Ha chọpụtakwara na a na-amagide nwaanyị na-agba mkpe di ya ka ọ ṅụọ iyi iji gosi na o nweghị ihe ọ bụla gbasara akụnụba di ya o wepụrụ na nzuzo. Ịṅụ iyi a abụghị ihe dị mfe ma ọlị. Ha sị na ọ bụ n'ime ịṅụ iyi a ka a ga-anọ agụpụtara nwaanyị ajadu iwu niile o kwesịrị idebe dịka nwaanyị na-agba mkpe. Ihe ndị ọzọ ha chọpụtara gụnyere; Ịkwa akwa na ịsụ ude, ịgbaba nwaanyị ajadu ọtọ, ịkpụ nwaanyị ajadu isi, na ihe ndị ọzọ. Ebe nchọcha Nzewi na ndị ọzọ na nke a siri yie bụ na ọ bụ otu isiokwu ka ha abụọ na-arụtụ aka, ya bụ, 'ịgba mkpe'. Ndịiche ha bụ na Nzewi na ndị ọzọ mere nchọcha nke ha na steeti Imo ebe nke a bụ n'Uruagụ nke steeti Anambara.

Azikiwe (1994) mekwara nchọcha banyere ụmụ nwaanyị ajadu nke isiokwu ya bụ "Ịgba mkpe n'ala Naijiriịa". O jiri obodo Afikpo dị na steeti Ebonyi mere ebe mgbakwasị ụkwụ. Afikpo bụkwa obodo ọzọ ejighị ịgba mkpe akparị ọchị malite n'oge gboo ruo oge ugbu a. Ebumnobi nchọcha ya bụ ịchọpụta ka ndị obodo Afikpo si agba mkpe. O jiri ndị ajadu narị abụọ na iri mee ya bụ nchọcha, site n'ịgba ha ajụjụ ọnụ nakwa iji usoro mkparịtaụka nke dị n'etiti ya na ụmụ nwaanyị ajadu. Otu n'ime ihe ndị ọ chọpụtara bụ na usoro ndị Afikpo si agba mkpe dị iche n'obodo ndị ọzọ dị n'ala Igbo. Ihe ọzọ ọ chọpụtara bụ na ọ bụ ndị kwenyesiri ike n'omenala bụ ndị na-agba mbọ iji hụ na usoro ịgba mkpe guzosiri ike. Ọzọkwa bụ

na ụmụ nwaanyị na-agba mkpe na-agbalịsikwa ike iji hụ na ha gbasoro usoro ndị a niile iji gbanarị ntaramahụhụ ga-esi na ya pụta ma ọ bụrụ na ha enupu isi. Ihe ndị ọzọ ọ chọpụtara gụnyere ihe ndị a: Nwaanyị na-agba mkpe na-anọ ọdụ ma na-arahụ n'ute a tọsara n'ala nkịtị izu asaa (mkpụrụ ụbọchị iri abụọ na asatọ). Ọzọ, ọ na-eji oke olu kwaa akwa ugboro abụọ ụtụtụ na abalị wee ruo mkpụrụ ụbọchị iri abụọ na asatọ. Ọ gaghị asa ahụ wee ruo mgbe akwasịrị di ya. Ọ ga-anọ n'ime ụlọ n'apụtaghị ezi ruo mkpụrụ ụbọchị iri abụọ na asatọ. O nwee nwaanyị ajadu a na-enyo enyo na ọ bụ ya gburu di ya, ọ ga-aga n'iru arụsị obodo ṅụọ iyi iji gbara isi onwe ya. A na-achụ aja dị iche iche iji wee kewapụ nwaanyị ajadu ahụ n'ebe di ya nwụrụ anwụ nọ. Nwaanyị ajadu na-akpụchapụ ntutu isi ya ozigbo e lisiri di ya. A na-ahụta nwaanyị ajadu dịka onye rụrụ arụ ruo mkpụrụ ụbọchị iri abụọ na asatọ. O nweghịkwa onye ga-abịa ya nso ma ọ bụ metụ ya aka. Nwaanyị ajadu agaghị eme ka o si masị ya dịka; idina ala ma ọ bụ rahụ ụra mgbe ọ chọrọ, iri ụdị nrị gụrụ ya, nakwa ihe ndị ọzọ.

N'ihe ọmụmụ Eze na Okonkwo (2007) gbasara 'Omenala ịgba mkpe n'Adazi-anị', mbunuche ha bụ ịchọpụta otu ndị Adazi-anị si agba mkpe. Ha gbadoro ụkwụ na mkpe nwaanyị na-agbara di ya nwụrụ anwụ. Ndị nchọcha chọpụtara na ụmụọkpụ Adazi-anị ejighị ịgba mkpe nwanne ha nwoke egwu egwu n'ihi ya, ha na-akaba ahụ hụ na nwunye nwanne ha nwoke mere ihe niile omenala kwuru na ọ ga-eme banyere ịgba mkpe di ya. Ha na-ekwenye na nke a ga-eme ka nwanne ha zuo ike na ndokwa.

Na nchịkọta nchọcha ndị e merela metụtara isiokwu a, a ga-ahụta na nchọcha ndị a niile e merela dabeere na ka e si agba mkpe, ọkachasị mkpe di. Ebe nchọcha ndị a niile na nke anyị na-eme siri yite bụ na ọ bụ otu ihe gbasara ịgba mkpe. Ebe ha na nke a nọ dị iche bụ na nchọcha ndị a niile gbadoro ụkwụ n'ịchọpụta etu ya bụ omenala ịgba mkpe dị n'obodo ndị ọzọ, mana nke a gbadoro ụkwụ n'obodo Uruagụ Nnewi. Ya bụ na nchọpụta ha egboghi mkpa nchọcha a. Ọ bụ ya ka nchọcha a ka ji dị mkpa maka inyocha ma ihe na-eme n'ala Igbo ndị ọzọ ọ bụkwa ihe na-eme n'Uruagụ. Ozo bụ na o nweghị nchọcha ndị ahụ lenyere anya n'ihe nwere ike igbochi nwaanyị ịgba mkpe di ya. N'ihi ya, o nweghị nchọcha ndị a niile e merela gboro mkpa nchọcha a.

Usoro nchọcha

Usoro nchọcha nke sọvee nkọwasị (Diskriptiv sọvee) bụ ụdị nchọcha a gbasoro were rụọ ọrụ na nchọcha a. Ọ bụ ya bụ usoro ka mma iji were mee nchọcha a maka na sọvee nkọwasị bụ ụdị usoro nchọcha na-agbaso ịgba ajụjụ ọnụ ma ọ bụ ịhụta ka e si eme ihe. Dịka Obidiebube (2015:21) siri kọwaa, "sọvee nkọwasị bụ ụdịri usoro nchọcha na-enye aka achịkọta data ma kọwaa ya site n'isi n'ime ndị bi n'ebe e ji mee nchọcha sere mmadụ ole na ole a ga-eji mee nchọcha ahụ kpọmkwem." Nworgu (2015:102) sị na nchọcha sọvee bụ ngwa e ji arụ ọrụ ma ọ bụ ngwa amụmamụ e ji usoro mweta na nnyocha data enweta njiatụle site n'aka mmadụ ole na ole a chọpụtara ga-anọchite anya igwe mmadụ ma ọ bụ ngwa ndị ahụ e ji eme ihe nchọcha. Ebe ọ bụ na ọ gaghị adịrị ndị nchọcha mfe ịgazucha ma ọ bụ jụtachaa mmadụ niile nọ n'ebe mgbakwasị ụkwụ nchọcha a ajụjụ ọnụ, ya mere e ji gbasoo usoro sọvee nkọwasị wee họrọ mmadụ ole na ole a gbara ajụjụ ọnụ na mpaghara Uruagụ bụ ebe mgbakwasị ụkwụ nchọcha a. E nwere ogbe iri na otu mebere Uruagụ mana ọ bụ naanị ogbe isii ka ndị nchọcha siri na ha sere ndị e ji nweta njiatụle nchọcha a. Ogbe isii ndị a gụnyere; Ọkpụnoeze, Ụmụmeagbụ, Ụmụmejiakụ, Akaboezem, Akabọukwu na Akabọedoji.

Ndi e ji mee nchọcha a bụ ndị okenye ụmụ nwoke, ndị okenye ụmụ nwaanyị na ndị okenye ajadu nọ n'obodo ndị e si na ha nweta njiatụle n'Uruagụ. Ndị okenye na ajadu ndị a nọ n'agbata afọ iri isii ruo afọ iri iteghete. Ihe kpatara nke a bụ na ọ bụ ndị okenye a bụ ndị maara ihe ekwe na-akụ n'ihe gbasara omenala Uruagụ. E seere mmadụ iri na otu ndị a chọpụtara na ọ bụ ha ga-enyere ndị ọchọcha aka inwetazu njiatụle rijuru afo maka ọrụ a. Ngwa nchọcha ọrụ a gụnyere ekwentị e jiri nweta olu okwu ndị a gbara ajụjụ ọnụ, igwe e ji ese eserese foto nke e jiri sete ndị a gbara ajụjụ ọnụ, akwụkwọ na mkpisi odee e jiri detuo ọsịsa ndị a gbara ajụjụ ọnụ nyere na ihe ndị a gụtara n'akwụkwọ dịgasị iche iche nakwa n'ọwa ozi/ịntaneeti.

Ntụcha data

N'ebe a, a ga-eleba anya na ntụcha data e nwetara n'ohịa nchọcha. Ọ bụ ebe a ka a ga-elenye anya n'ebumnobi nchọcha a nke hiwere isi n'omenala ịgba mkpe di n'obodo Uruagụ Nnewi. Otu omenala ịgba mkpe di na otu o siri malite bụ ihe tara ọtụtụ ndị Uruagụ akpụ nkọwata.

Ka o sila dị, Maazị Chukwuemeka (2021), bụ otu onye na ndị a gbara ajụjụ ọnụ, gbara mbọ kọwaa ihe nna ya gwara ya maka nke a. Ihe o kwuru bụ na tupu ịgba mkpe amalite, ọtụtụ ụmụ nwaanyị na-eleghara ịkwa di ha nwụrụ anwụ anya. Nke a pụtara na ha na-ewe ọnwụ di ha dịka a ga-asị na ọ bụ nwa ọkụkọ nwụrụ. Ọ sị na ụfọdụ na-ebili gawara onwe ha mkpa ha dị iche iche, na-anọzughị izu asaa di ha nwụchara. Ụfọdụ na-aga lụọ di ọzọ ozigbo. Maazị a kwukwara na ọ bụ ajọ agwa ọjọọ ndị a kpatara ụfọdụ ụmụ nwaanyị ji bido tinyebe aka n'ọnwụ di ha, ka ha nwee ike mebe ka o si masị ha, nwekwaa ike ịchọrọ nwoke ọzọ ọ ga-adabara ha na ha. Ọ sị na ọ bụ ajọ agwa dị otu a, mere ndị okenye ụfọdụ n'obodo Uruagụ ji wee tịkọta isi ọnụ, ka ha mara ihe a ga-eme. Maazị Chukwuemeka kọwara na izu a ndị nna ha ochie gbara mịtara mkpụrụ ihe mgbu ndị ụmụ nwaanyị na-ahụ n'omenala ịgba mkpe di n'Uruagụ ruo ugbu a. N'ime izu ndị okenye Uruagụ gbara, ha kwekọrịtara na a ga-enye ụmụ nwaanyị ọnọdụ ha ga na-anọ ma di ha nwụo. Ha meziri ịgba mkpe di ka ọ bụrụzie nwaanyị iji anya ya hụ ntị ya.

Etu ụmụ nwaanyị nọ n'ajadu si agba mkpe n'omenala Uruagụ
Ibe akwa ọnwụ di

Nchịkọta ihe ndị a gbara ajujụ ọnụ kwuru gbasara usoro omenala ịgba mkpe n'Uruagụ bụ na nwaanyị ịbanye n'ịgba mkpe bụ iji eze ekpe ekwere. Ha kwupụtara na mgbe ọ bụla di nwaanyị Uruagụ nwụrụ, na ihe mbụ nwunye ya ga-eme bụ ibe akwa nkeji iri isii (otu awa). Ọ bụ mgbe oge a gasịrị ka ndị mmadụ ga-enwezi ike ịkasi ya obi ka ọ kwụsi ibe akwa.

Aja nzacha ngwuru onye nwụrụ anwụ na ịchọ ala onye na ihe gburu ya

Tupu e lie ozu nwoke nwụrụ, a sị na isi ada ga-abịa were azịza ochie zachasịa ngwuru nwoke ahụ nwụrụ anwụ. Nke a bụ iji zachapụ ihe ochie mere eme. Ọ ga-ejikwa nwa uriom ọkụkọ, oke ọkpa (oke ọkụkọ) na ji sie ji awai. Mgbe ji a ghere, ọ ga-ewere mmiri ya fesasịa na ngwuru niile ahụ tụmadị ebe nwaanyị ajadu ahụ ga-anọ tupu a zaa obi onye ahụ nwụrụ anwụ. Ọ bụrụ na e meghi nke a, ọ dịghị onye ọ bụla chiri echichi ga-abata ebe ahụ. Nri a bụ nke a na-esiri ndị Ichie, ndị ọzọ na ndị nna nna ha niile nwụrụ anwụ iji rịọ ha ka ha nabata onye nke ha na-alakwute ha. Ọzọ bụ na ha kwenyere na mgbe ọ bụla e fesachara mmiri ahụ na ọ ga-eme ka onye ọ bụla tinyere aka n'ọnwụ nwoke ahụ ma ọ bụ maara ihe butere ọnwụ ya ga-amalite ikwupụta ya ozigbo ọ zọrọ ụkwụ na ngwụrụ ahụ. Mmụọ ndị nna nna ha ga-amalite ime ka onye ọ bụla aka ya dị n'ọnwụ nwoke ahụ malite ịsa asịsa, ọ sọ

ya bụrụgodi nwunye ya. Ọ gaghị ama mgbe ọ ga-amalite ikwu ihe niile mere. Ihe ha rụtụrụ aka bụ na onye mbụ a na-ebu ụzọ enyo enyo maka ọnwụ nwoke bụ nwunye ya.

Mmetọsị nwaanyị ajadụ na ịkpụ ya isi

Mgbe e lisiri nwoke ahụ nwụrụ anwụ, e mere ka anyị mara na isi ada ga-abịa bọsasịa nwaanyị ahụ di ya nwụrụ isi. Ọ sọgodi ya bụrụ na nwaanyị ahụ kpara isi ya akpa, a ga-atọpụsị ya, ghasasịa ya. Ọ gaghịkwa eke ya eke nke ọ ga-eji abọ isi ya abọ ruo mgbe a ga-akpụchapụ ya ntutu ya. Nke a bụ iji mee ya ka ọ mara na ọ banyela n'ịgba mkpe. Ọzọ bụ ka ọ ghara ịdị ụtọ n'anya. Ha sị na nke a bụ ime ka nwaanyị ajadu malite inwe ezigbo mwute banyere ọnwụ di ya.

Site n'ihe a jụtara Oriakụ Ogochukwu Ojukwu, ndị nchọcha nụtara na ụbọchị a ga-akpụ nwaanyị di ya nwụrụ isi, okenye nwaanyị nwa ọkpụ ga-akpọrọ nwaanyị ahụ n'oge uhuruchi gawa n'oke ọhịa. Ebe ahụ ka ha ga-arahụ. Oge chi bọrọ, nwa ọkpụ ahụ ga-asa ya ahụ, ọ ga-atọpụ ya akwa ahụ o yi n'ahụ gaa ebe ahụ. Nwanne di ya nke nwoke ga-ewere osisi anọ gwunye n'ala ma ghakwasa ya akwụkwọ unere n'elu. Ọ bụ n'ime ụlọ a e ji ahịhịa unere rụọ ka a ga-anọ akpụchasị nwaanyị ajadu isi ya. Ma mmiri ọ na-ezo ma anwụ a na-acha, e mere ka anyị mata na ajadu ahụ ga-anọ n'ime ụlọ ahụ e wuuru ya. Nwanne di ya nke nwoke ga-ewere ọmụ gechie ọnụ ụzọ ebe ahụ nwunye nwanne ya nwoke nọ iji gosi ndị mmadụ na a na-akpụ ya isi. O nweghị onye ga-abịakwute ya nso n'ebe ahụ ọ nọ.

Mgbe a kpụsiri ajadu a isi, a sị na ndị be nke nwaanyị ga-egote ji iteghete, nwunye ọkụkọ na mmanya. Ọ bụ ụmụada ga-eji aka ha sie nri ahụ n'ezi nwoke ahụ nwụrụ anwụ. Ọ bụrụ na nke a gachaa, nwaanyị ahụ kpụrụ ya isi ga-eduru ya dubaa ya n'ụlọ kpanye ya obere osisi ma ọ bụ mma kara nka n'aka. Ha sị na ihe kpatara e ji eme nke a bụ iji mee ka di ya ghara ịbịa na-enye ya nsogbu dịka ịchọ ka ọ kpọrọ ya. Ọzọ bụkwa iji chụpụ ajọ mmụọ niile nwere ike ịbịa na-eyi ya ụjọ. Ugbu a, nwaanyị a ga-ebido ịpụ apụ mana ọ gaghị aga ebe tere aka. Ọ bụrụ na nwaanyị na-agba mkpe nwere ebe ọ chọrọ ịga, dịka ịga hụ onye mmadụ nwụnahụrụ, o nwere ike ime nke ahụ, mana ọ ga-aga ya n'isi ụtụtụ ma ọ bụ n'ezigbo ime mgbede. Ajadu a ga-akpa mkpirisi osisi a n'aka wee na-aga ebe ọ bụla o kwesịrị ịga. Anaghị asị mmadụ lee nwaanyị di ya nwụrụ n'ihi na e ji anya ama ọka chara acha.

Maazi Okpala (2021) kwupụtakwara na nwaanyị na-agba mkpe bụ naanị nkịrịnka akwa ka ọ ga na-eyi, ọ gaghị eyi ihe olu nke o ji eyi ihe ntị. Ọ gaghị na-anọ ala n'oche kama ọ bụ na nkịrịnka ute ka ọ ga-anọ. A na-eme onye ahụ ka onye rụrụ arụ. Ọ gaghị apụta ezi n'ụtụtụ tutu onye ukwu na onye nta apụta, ọ dịghị akpọ mmadụ ihu ụtụtụ. Ọ gaghị eji efere na-eri nri, ihe ọ ga-eji na-eri nri bụ mpekere eju ma ọ bụ ọba. Ọ gaghị apụ ama ma ọ bụ ezi rue izu asaa. Ọ gaghị aga ugbo nke o ji esi nri. Nke kachasị nke bụ na ọ dịghị onye ọ bụla ọ ga-akpọ oku. Ọ bụrụ na o chefuo were kpọọ mmadụ oku, ntị nwaada ọ bụla nụ ya, a ga-ada ya nnukwu nha.

Mmabido ịrahụ ụra ehihie

Ajụjụ a jụtara n'ọhịa nchọcha mekwara ka a mata na nwaanyị na-agba mkpe ịrahụ ụra ehihie n'ime izu anọ di ya nwụrụ bụ arụ. N'ihi nke a, ikwu na ibe ya na-anọdebe ya site n'elekere isii nke ụtụtụ wee ruo na nke uhuruchi na-akpanyere ya nkata. A na-enyekwa ya ụmụ mkpụrụ osisi kpọrọ nkụ dịka akụ na ụkwa nke ọ ga na-ata ka ụra ghara ịtụ ya.

Ihe ọzọ a hụtara n'ọhịa nchọcha bụ na nwannyị banyere n'ịgba mkpe ọhụrụ agaghị na-akwọ aka tupu o rie nri, ọ gaghịkwa akwọ aka ya mgbe o risiri nri, n'ihi na o nweghị ihe ga-eme ka mmiri metu ya n'ahụ ruo izu anọ di ya nwụchara. Ọ gaghị eri ihe ọ bụla na-atọ ụtọ dịka anụ na azụ. Ọ sọgodi ya bụrụ na ọ dị ime di ya wee nwụọ, ọ gaghị emetụ ihe ndị a ọnụ. O nweghịkwa ike ịga n'ọba di ya weta ji nye ụmụ ya. Ọ gaghị ekwe ka ọkụ a funyere n'ụlọ mkpe ya nyụnahụ ya. Ọ bụrụ na ụdị ọdachi a abịara ya, a gaghị eje n'agbataobi ma ọ bụ n'obodo ha gụtara ya ọkụ ọzọ, kama a ga-eje obodo ọzọ gụtakwara ya ọkụ.

Ije ahịa ndị mmụọ

Ije ahịa ndị mmụọ bụ mmemme imechi mkpe di nwaanyị ajadu na-eme oge ọ gbara otu afọ di nwaanyị na-agba mkpe jiri nwụọ, onye ahụ ga-ebupụta ihe niile o jiri nọrọ na mkpe. Nke a bụ nnọọ nnukwu emume n'ihi na a na-ewe onye si na mkpe pụta ka onye siri n'ọnwụ bilite. N'emume a, okenye nwa ọkpụ kwagoro di ya ga-abịa duga ajadu nwaanyị a n'ọhịa ọzọ. A sị na ọ bụ ebe a ka a ga-anọ suo ihe niile o jiri nọrọ na mkpe ọkụ. Oge e ji emekarị emume a bụ n'ụzọ ụtụtụ. Onye ọ bụla ga-eme ya ga-anwụ ọkwa n'aka were bịa. N'abali ga-efopụta ụbọchị ahụ, ajadu ga-ewekọta ihe oriri dị iche iche, ọ ga-ebute ite mmiri, nwatakịrị ga-achị ọgọdọ ọhụrụ soro ha. Oge ha ruru n'ọhịa, isi ada na nwatakịrị ahụ ga-akwụ n'ụzọ e si abanye n'ọhịa ahụ ma ajadu ahụ ga-aba n'ime ọhịa, mgbe ọ na-aga, isi ada ahụ

ga na-akpọ ya aha, ọ na-aza ya. Nke a bụ iji chụpụ ajọ mmụọ ọ bụla nọ n'ọhịa ahụ. Oge ajadu a ruru n'isi ngwucha ọhịa ahụ, ọ ga-amalite resịbe ndị mmụọ ihe ahụ o buru bịa ọhịa. Ọ ga-eme nke a site n'ime ka onye ya na ndị mmadụ na-azụ ahịa. E kwenyere na di ya so n'ime ndị mmụọ ahụ ọ na-eresi ihe. Ihe kpatara e ji eme nke a bụ ka nwaanyị ahụ were kewapụ onwe ya n'ebe di ya nwụrụ anwụ nọ. Ha kwenyere na ọ bụrụ na o meghị ya, obere oge, nwaanyị ahụ anwụọ gakwuru di ya. Oge o mere nke a ihe dịka otu awa, isi ada ahụ ga-agwa ya ka ọ pụtabazie. Mgbe ọ bịara n'ebe ahụ isi ada na nwatakịrị ahụ kwụ, ọ ga-anara isi ada ahụ mmiri o bu were saa ahụ, nara nwatakịrị ahụ ọgọdọ ọhụụ mara. Akwa nwaanyị ga-ama wee pụta n'ime ọhịa ahụ agaghị abụ nke di ya zụtaara ya. Ọ ga-abụ nke ụmụnne ya ma ọ bụ nwunyedi ya wetara. Nke a bụ ka e wee kewapụ ya kpam kpam n'ebe di ya nọ. A ga-esu ndị o yipụrụ na ihe niile o jiri gbaa mkpe ọkụ n'ebe ahụ. Ọ bụ emume a ka a na-akpọ 'ije ahịa ndị mmụọ'. Mgbe e mesịrị nke a, isi ada ga-edubata ya na be di ya, duru ya gagharịa n'ihe di ya niile sụnye ya aka na ya. Nke a ka a na-akpọ "ịsụnye nwaanyị aka n'ihe di ya". Ugbu a, nwaanyị a ga-enwezi ike ịga n'ọba di ya were ji ma ọ bụ ihe ọ bụla dị ya mkpa. Ọ ga-enwekwa ikike iyi akwa masiri ya na ịpụ ezi ka o si masị ya. Ugbu a ka ya na ndị mmadụ ga-enwebezi mmekọrịta dịka mgbe di ya nọ ndụ n'ihi na ọ chụzuola aja. Ọ bụ ajọ ọnọdụ dị otu a ka nwaanyị na-agba mkpe di ya n'Uruagu na-anọ n'usoro omenala ọkpụ ndị Uruagụ, dịka ndị maara maka ya si kpughee ya n'ọhịa nchọcha a gara.

Ihe mgbu pụtagasịrị ihe ụmụ nwaanyị ajadu na-ezute n'ịgba mkpe n'usoro omenala ndị Uruagụ

Na nchịkọ ihe ndị anyị gbara ajụjụ ọnụ mere ka anyị mata n'ọhịa nchọcha e mere, ụmụ nwaanyị ajadu na-agabiga ọtụtụ ihe mgbu mgbe ha na-agba mkpe di ha. Ọtụtụ ihe mgbu ha na-agabiga ha kpugheere anyị gụnyere ndị a;

Nlegara anya ọjọọ: A na-ahụta ụmụ nwaanyị na-agba mkpe dịka ndị kpatara ihe di ha ji nwụọ. Nke a mere ka ndị obodo na-asọ ha asọ. O nwee nwaanyị ajadu a na-enyo enyo na ọ bụ ya gburu di ya, a ga-ahụ na ọ gara n'ihu arụsị obodo a na-akpọ Edo ṅụọ iyi iji gbara isi onwe ya.

Ịnapụ ha ihe bụ oke ha: A na-anara ọtụtụ ụmụ nwaanyị ajadu ihe di ha hapụụrụ ha were nwụọ dịka ala, ụlọ obibi, ụlọ ahịa, nakwa akụnụba ndị ọzọ. Nke a na-adịkarị ire n'ebe ụmụ nwaanyị amụtaghị nwa nwoke nọ

Enweghị ọnụ okwu: Ụmụ nwaanyị ajadu anaghị enwe ọnụ okwu n'ezinụlọ nakwa n'obodo.

Mmekpa ahụ site n'aka ụmụnne di na ụmụ nwoke ndị ọzọ: Ọtụtụ ụmụ nwoke ezi na ụmụnne di ha na-abịa maka mmekọ ndina ọtụtụ oge.

Mkpachapụ n'akụkụ: Ọ bụghị ihe niile a kara n'obodo ka ha na-anụ ma ọ bụ jee. Nwaanyị na-agba mkpe agaghị aga ahịa, ụka, ma ọ bụ mmemme ọ bụla e nwere n'obodo. A na-elegara nwaanyị na-agba mkpe anya ọtụtụ oge dịka onye rụrụ arụ. O nweghịkwa onye ọ na-amasị ịbịa ya nso ma ọ bụ pụkwute ya ọrịrị maka ịkpa ya obi ọma.
Mmanye nwaanyị idobe onwe ya otu adighị mma: A na-amanye nwaanyị na-agba mkpe ịkpụchapụ ntutu isi ya ozigbo e lisiri di ya. Nwaanyị ajadu nọ na mkpe anaghị asa ahụ, ọ gaghị ata atụ, ọ gaghị abọ isi ya, ọ gaghị asụ akwa ma ọ bụ gbanwee nke o yi n'ahụ wee ruo mkpụrụ ụbọchị iri abụọ na asatọ.

Mmanye nwaanyị ajadụ ịnọ ọnọdụ na-agaghị enyere ndụ ya aka: Nwaanyị mkpe anaghị eme ka o si masị ya dịka; idina ala ma ọ bụ ịrahụ ụra mgbe ọ chọrọ. A na-amabido ya iri ụdị nrị gụrụ ya, nakwa ihe ndị ọzọ. Ihe ọzọ bụ na agụụ na-agụ ha nke ukwuu n'ihi na nwaanyị na-agba mkpe enweghị ike ịga wepụta ji a kọrọ n'ubi. Ọ bụ naanị ihe ndị mmadụ na-ewetara ha ka ha na-eri.

Ihe ndị a chọpụtara
Site na nchọcha a e mere banyere ịgba mkpe, ndị nchọcha chọpụtara na ịgba mkpe bụ omenala zuru Igbo niile ọnụ. Ọ bụ ugwu ikpeazụ nwaanyị na-akwanyere di ya nwụrụ anwụ ma ọ bụ nwoke na-akwanyere nwunye ya nwụrụ anwụ. A chọpụtakwara na n'agbanyeghị na omenala ịgba mkpe zuru ala Igbo niile ọnụ, e nwere usoro na ụzọ dị iche iche obodo ọ bụla si eme nke ha. Site na nchọcha a, a chọpụtara na site na mmalite, dịka ndị atụtụ feminizim siri kwuo, ụmụ nwaanyị na-agabiga mkpagbu na nnukwu ntaramahụhụ n'aka ụmụ nwoke kemgbe ụwa ọkpụ ha. Atụtụ a kwuru na e nweghị nhatanha n'ebe nwoke na nwaanyị nọ. Ọ na-elebakwa anya na mkpagbu na mmegide a na-emegide ụmụ nwaanyị nakwa ịkpa oke dị n'etiti ụmụ nwoke na ụmụ nwaanyị. Ya bụ site na nchọcha a, anyị chọpụtara na ihe niile ndị a ụmụ nwaanyị ajadu na-agabiga abụghị ihe ụmụ nwoke ajadu na-

agabiga n'ịgba mkpe nwunye ha nwụrụ. O nweghị onye a jụrụ ajụjụ kwuru maka nwoke ịbụ onye izizi a na-enyo enyo maka ịkpata ihe gburu nwunye ya ma nwunye ya nwụọ. Site n'ihe ndị a gbara ajụjụ ọnụ kọwapụtara, anyị hụtara na kama a ga-emekpa nwoke nwunye ya nwụrụ ahụ, a na-enwe ọtụtụ ndị mmadụ bụ ndị ga-achọ inyere ya aka. Anaghị elebe nwoke anya ọsịịsọ na ọ bụ ya gburu nwunye ya, ọ bụrụgodi na nwoke ahụ na-emegbu nwunye ya mgbe nwunye ya dị ndụ. Anyị hụtara ihe dị otu a ka ịkpa oke n'etiti nwoke na nwaanyị. Nwoke nwunye ya nwụrụ na nwaanyị di ya nwụrụ anaghị anọ n'ọkwa nhatanha n'obodo Uruagụ. A na-emeso ụmụ nwaanyị omume ọjọọ n'ụzọ dị iche. Ọ bụ naanị ụmụ nwaanyị bụ ndị ka agabiga ihe mgbu n'ọnọdụ ịgba mkpe. Ọ bụrụ na nwoke nwụọ, e bụrụ ụzọ nyochaa nwunye ya iji mata ma ọ bụ ya butere ọnwụ di ya. A na-anakọrọ nwaanyị ajadụ ihe niile di ya hapụrụ ya were nwụọ ma na-amanyekwa ya ịkpụchapụ ntutu isi ya. A na-egbochi ụmụ nwaanyị ajadu ịsa ahụ ma ọ bụ gaa ebe ọ bụla masịrị ha, dgz. Mana ọ dịghị etu a n'ebe ụmụ nwoke nọ. Ihe ndị a niile na-egosi na e nweghị nhatanha n'ebe nwoke na nwaanyị nọ n'ihe gbasara ịgba mkpe n'Uruagụ Nnewi. Ya bụ na mmegbu ụmụ nwaanyị ndị atụtụ feminizim na-ekwu maka ya pụtara ihe ebe ọ dị ukwuu n'ịgba mkpe di n'Uruagụ.

Ihe ọzọ ndị nchọcha chọpụtara bụ na mgbanwe abatabala n'ụfọdụ omenala ịgba mkpe di ndị a. Ọtụtụ omenala ịgba mkpe di ndị Uruagụ enweela mgbanwe maka mbelata oke ahụhụ ndị so ya. Ọ bụghịzi usoro niile e si gbaa mkpe n'omenala Uruagu oge gboo ka ọ dịchazi taa. Mana nke ahụ bụ maka ihe ọmụmụ ọzọ.

Mmechi na ntụnye aro

Nchọcha a egosila na omenala ịgba mkpe bụ omenala zuru ala Igbo niile ọnụ. N'usoro omenala ndị Uruagụ, e nweghị mmekpa ahụ nhatanha n'ebe nwoke nwunye ya nwụrụ na n'ebe nwaanyị di ya nwụrụ nọ. Ọ bụ ụmụ nwaanyị na-aka agabiga ihe mgbu n'ọnọdụ ịgba mkpe. A chọpụtara na nwaanyị ọ bụla di ya nwụrụ n'usoro omenala oge gboo ji eze ekpe ekwere. Ha na-ata ahụhụ nke ukwuu; ma n'aka ụmụ ọkpụ ma n'aka ụmụnne di ha. Ahụhụ ha gunyere; ịmanye ya ịkpụ isi mkpe, iduba ha n'ime ụlọ ebe mmadụ anọghị, ịmachi ha ịsa ahụ na iri ụdị nri masịrị ha, ịmabido ha ịga ebe ọ bụla ha chọrọ ịga, d.g.

Na ntụnye aro n'ihe ọmụmụ a, anyị na-akwado ka a gaa n'ihu belata ahụhụ a na-ata ndị mmadụ nwụnahụrụ maka na ọnwụ n'onwe ya bụ ihe arịrị. Ọzọ bụ na o

ga-adị mma ma nwoke nwunye ya nwụrụ na nwaanyị di ya nwụrụ gbaa mkpe n'ọkwa nhatanha n'obodo. Ọ bụ eziokwu na nwaanyị kwesịrị ịgbara di ya nwụrụ anwụ mkpe. Nwoke kwesịkwara ịgbara nwunye ya mkpe maka na anyammiri anaghị agba n'otu anya hapụ anya nke ọzọ. Anyammiri na-agba n'anya abuo. Ịgba mkpe bụ omenala dịbara site n'oge gboo. N'ihi ya, ọ dighị mma ma a kwụsị ya kpam kpam, kama ka e wepu ihe ọjọọ dị n'ime ya, ọkachasị, ndị a na-enye ụmụ nwaanyị site n'ile ha anya ka ndị gburu di ha. Ndị ezinụlọ na ndị obodo kwesịrị ịdị na-enyere ụmụ nwaanyị ajadu aka n'ibelata nsogbu obi ọnwụ di ha. Ndị nkụzi asụsụ Igbo kwesịrị ịdị na-arụtụ omenala niile aka mgbe ha na-akụzi ihe na klaasi iji mee ka ụmụaka mara ha, wee gbaa mbọ ịdị na-esonye na mmezi omenala ndị dị njọ. Ọrụ nchọcha a na-akpọkwa ndị ọchịchị obodo dị iche iche ka ha gbatara ụmụ nwaanyị ọsọ enyemaka site n'itinye ọnụ n'okwu n'ihe gbasara ahụhụ ha na-ata n'ịgba mkpe ka a mara ọnọdụ kwesịrị ka ha nọrọ na nke na-ekwesighị.

Ndị nchọcha na-atụ anya na ndị ụka, ndị ntorobịa na ụmụaka na-etolite etolite ga-etinye anya n'ihe gbasara omenala ndị Uruagụ na nke ndị ọzọ yiri nke a maka ịgba mkpe, iji hụ na ihe a na-eme na ya bụ ihe kwesịrị ka ntị nụ, ma kwesịkwa ka anya lere. Ọ bụ site n'enyemaka ndị a niile ka omenala anyị ga-eji abawanye ma bụrụ ihe e ji eme ọnụ.

Nrụtụaka

Anozie, C. (2003). *Igbo kwenu: Akụkọ na omenala ndị Igbo*. Enugu: Computer Edge Publishers.

Alazu, J.C. (2013). The supreme God in Igbo traditional religion. A comment on Arazu's Thesis. A paper Presented at workshop on the state of Igbo Studies, University of Nigeria Nsukka.

Azikiwe, U. (1994). Widowhood practices in Nigeria: A case study of Afikpo community *International Journal of Women's Studies*, 1(1), 24-33.

Basden, G. T. (1986). *Among the Ibos of Nigeria.* London: Frankcass & Co. Ltd.

Basden, G. T. (1992). *Niger Igbos*. London: Geogfreg Chairman Publisher.

De Beauvoir, S. (1949). *The second sex*. New York: Harmondsworth.

Emenanjo, E.N., Ekwe, B.N., Okolie, O. O., Kanu, N. & Njubigbo, A. O. (2008). *Igbo maka juniọ sekọndịrị (Ọpa Bezik).* Ibadan: University Press Plc.

Ezeuko, R.O. (1986). *Ewumewu, omenala, ofufe na nkwenye ndị Igbo.* Onitsha: Etukokwu Press.

Ifesieh, E.L. (1988). The Igbo family in a changing society. *University of Salzbury* Vol. II. 99-
128

Konadu, J.S. (2007). *Omenala Igbo*. Onitsha: Varsity Press.

Mbiti, J.S. (1969). *African religion and philosophy*. London: Heinemann Education Book Ltd.

Mill, J.S. (1869). *The subjection of women*. London: Longman Press.

Nwaozuzu, G.I. (2008). *Dialects of Igbo language.* Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Nworgu, B. G. (2015). *Educational research: Basic issues and methodology* (3rd ed). Nsukka: University Trust Publishers.

Nzewi, E., Afigbo, A. E, Obinna, A.J.V., Njoku, R.A., Nwaogugu, A., Uwa, C.N., Nosiri, C. Nwebo, O.E., Nwakanma, B. & Okwuosa, A. (1989). Widowhood practices in Imo State. *Proceedings of the Better Life Programme for Rural Women Workshop.* Owerri: Multi-Purpose Hall. 44-58

Ofomata, C. E. (2012). *Omenala na ọdịnaala ndị Igbo.* Onitsha: Format Publisher.

Ọgbalu, F. C. (1981). *Ndụ ndị Igbo.* Onitsha: University Publishing Co.

Ogbalu, F.C. (1991). *Igbo Institution and Culture*. Onitsha: Varsity Press.

Oguejiofor, N. P, Ezeoliaku, U. E, & Ilorah, A. E. (2015). *Mmalite omụmụ asụsụ na usoro nkuzi Igbo.* Onitsha: Perfect Image Publishers.

Olomojobi, Y. (2015). *Human rights on gender, sex and the law in Nigeria*. Lagos: Princeton & Associates Publishing Co. Ltd

Onyekaonwu, F. (1990). *Igbo language and culture*. Onitsha: University Publishing Company.

Opata, D.U. (1998). *Essays on Igbo world view.* Nsukka: AP Express Publishers.

Woolf, V. (1929). *A room of one's own*. London: Horgath Press.

ỤFỌDỤ NDỊ A GBARA AJỤJỤ ỌNỤ

	Aha ndị a gbara ajụjụ ọnụ	**Aha ogbe ndị a gbara ajụjụ ọnụ**	**Afọ**	**Ọrụ aka**	**Ụbọchị a gbara ajụjụ ọnụ**
1	Maazi Okonkwo Chukwudum	Akabọezem Uruagụ	Iri asaa na abụọ	Azụmahịa	18/12/21

2	Chief Chukwuemeka Oramadike	Akabọezem Uruagụ	Iri asaa na isii	Ezumike nka	18/12/21
3	Maazi Azubuike Okpala	Ọkpụnoeze Uruagụ	Iri isii na ise	Azụmahịa	20/12/21
4	Oriakụ Nnedimma Ilechukwu	Ọkpụnoeze Uruagụ	Iri asatọ na asatọ	Ezumike nka	20/12/21
5	Oriakụ Ogochukwu Ojukwu	Ụmụmeagbụ Uruagụ	Iri asaa na ise	O nweghị	23/12/21
6	Oriakụ Nkiruka Onuora	Ụmụmeagbụ Uruagụ	Iri isii na otu	Azụmahịa	23/12/21
7	Chief Amadi Nze	Ụmụmejiakụ Uruagụ	Iri asatọ na asatọ	Ezumike nka	28/12/21
8	Oriakụ Nwakaego Nwosu	Ụmụmejiakụ Uruagụ	Iri isii	Azụmahịa	05/01/22
9	Maazi Emenike Okeke	Akabọukwu Uruagụ	Iri asatọ na otu	Ezumike nka	05/01/22
10	Oriakụ Chidimma Agbasi	Akabọukwu Uruagụ	Iri asaa na abụọ	O nweghị	05/01/22
11	Maazi Azubuike Okori	Akabọedoji Uruagụ	Iri asaa na asatọ	Ọrụ ugbo	09/01/22 dgz